# MMETỤTA Ọ̣RỊA NTỌNTỌ ANOMIA N'ỤTỌASỤSỤ NDỊNỌRỤ NKWỤRỊTA OKWU

AHAMEFULA Ndubuisi Ogbonna, ONUH Esther Chidimma na UDECHUKWU Chinwe N.
Ngalaba Amụmamụ Sayensị Asụsụ, Igbo Na Asụsụ Naijirịa Ndị Ọzọ
Mahadum Naijirịa, Nsụka
chinwe.udechukwu@unn.edu.ng

**Umị edemede**

Nchọcha a nychochara mmetụta ọrịa ntọntọ anomia n'ụtọasụsụ ndịnọrụ nkwurita okwu. Nkwurita okwu bụ mbido maọbụ ihe mgbakwasị ụkwụ n'ebe mmekọrịta mmadụ n'ibe ya nọ. Mbumuche nchọcha a bụ ịchọpụta etu ọrịa ntọntọ Anomia si emetụta ụtọasụsụ ndinọrụ nkwurịta okwu. E jiri usoro nlere anya na ịjụ ajụjụ ọnụ were nweta njiatule e jiri mee nchọcha a. Ọ bụ usoro nkwọwa ka e jiri hazie ihe a chọpụtara. E jiri usoro sọvee nweta njiatule nchọcha a. Ebe a nọrọ mee nchọcha a bụ nnụkwụ ụlọọgwụ dị n'Enugu a na-akpọ University of Nigerian Teaching Hospital (UNTH) dị n'Etuku Ọzalla dị n'Enugu Steeti. Ọ bụ otu dibia bekee na ndị nọọsụ abụọ na-arụ ọrụ n'ụlọọgwụ ahu ka agbara ajụjụ ọnụ iji nweta njiale nchọcha a.Ọ bụ ebe e nwere ụlọọgwụ na-ahụ maka ọrịa ntọntọ na ọrịa ndị ọzọ. Njiatule e nwetara maka nchọcha a bụ nke e jiri usoro nkọwa nyochaa Nchọpụta nchọcha a gosịrị na okwu ndị nwere ọrịa ntọntọ anaghị edo ndị mmadụ anya nke na-eme ka nghọta ihe ha na-ekwu na-agba ndị mmadụ gharị. Nchọpụta nchọcha a gosikwara na-onye nwere ọrịa Anomia na-enwe nghọta okwu e kwuru n'ọnụ. onye ahụ na-agụkwa ihe ederede mana ọ na-enwe nhiaahụ n'icheta okwu ọ ga-ekwu maọbụ ede n'akwụkwọ. Ọ na-akpọpụta mkpụrụokwu maọbụrụ na agwa ya ihe bidoro okwu ahụ. Ọ na-echefukarị nkejiasụsụ dịka ngwaa, aha na nnọchiaha mgbe ọ na-ekwu okwu maọbụ ede ihe n'akwụkwọ; Ọ nwere ike ịkọwa uru ihe bara mana ọ gaghị echeta aha ihe ahụ,

Ọkpụrụkpụ okwu ụfọdụ: Anomia, nkwurita okwu, asụsụ ndịrịorụ.

## 1. Mkpọlite

Ọrịa ntọntọ 'Anomia'bụ otu n'ime ọrịa ntọntọ nke ihe e jiri mara ya bụ enweghị ike icheta aha ihe, mmadụ maọbụ mmegharị ahụ. Nke a pụtara na onye nwere ọrịa anomia nwere nsogbụ na nkwupụta okwu ebe nnabata okwu ya na-enweghị nsogbụ ọbụla. Okwu onye nwere ọrịa ntọnto anomia na-aga were were n'ọnụ ma dikwa mma mana oge ụfọdụ ọ na-ekwugharị ekwugharị kaọ ghara ịkpọ aha ihe maọbụ kpọpụta okwu ọ chetagharị. Onye nwere ọrịa ntọntọ anomia enweghị ike ikpọpụta aha ihe nọ ya n'ihu dịka mkpịsị odee. Ọ na-enwe nhịahụ n'ikwu onye maọbụ ihe eserese nọ ya n'ihu.

Ọrịa ntọntọ anomia na-eme ka mkparịtaụka di n'etịtị mmadụ na ibe ya ghara ịga nke ọma. Onye nwere ọrịa ntọntọ anomia nwere ike ima aha ihe ọ chọrọ ịkpọpụta mana ọ gaghị echeta ya ma ọ chọrọ ikpọpụta ya. Ụdị ọnọdụ a na-enye ya mgbaka ahụ tinyere onye ya na ya na-eme mkparitaụka. Ụfọdụ ndị mmadụ na-enyere onye nwere ọrịa ntọntọ anomia aka ikpọpụta ihe ọ chọrọ ikwu. Nke a ga-eme ka mkparitaụka ha gaa were were. Otu o sila adị, ụdị ọnọdụ a gosiri na onye ọrịa ntọntọ anọmịa ga-adabere na enyemaka onye nleta ya oge niile iji nyere ya aka ikwupụta ihe ọ chọrọ ikwu. Ọ dị mkpa na anyi ga-enwe ezigbo ndịdị n'ebe onye nwere ọrịa a nọ garuo na o kwụpụta ihe ọ chọrọ ikwu.

N'uwa niile, ndị na-akparịtaụka na-eji okwu na mmegharị ahu na-egosipụta ihe ha na-ekwu (Ardila, 2016). Mgbe mmadụ nwechara mmeru ahụ n'ụbụrụ, ha na-eji mmegharị ahụ egosipụta ọtụtụ okwu

ha chọrọ ikwu. Bara (2010) kọwara na ọrịa ntọntọ bụ iwe ogologo oge'ikpọpụta okwu na-enweghị isi na ọdụ ma ghara ikpọpụta otu mkpụrụ okwu n'ihi mmebi o nwere n'akụkụ ụbụrụ maka ikwu okwu. Ọrịa ntọntọ asụsụ ndịnọrụ bụ ọrịa na-ejikọta nnabata okwu na nkwupụta okwu mere ihe n'iji asụsụ na-akparịta ụka maka mmebị onye nwere ọrịa nwere n'ụbụrụ. Bloom (1998) kwuru sị na ọrịa ntọntọ gụnyere mmebi asụsụ ntọntọ,ebe ọtụtụ n'ime ha na-agba mbọ ikwupụta otu mkpụrụ okwu ebe ndị ọzọ na-ekwuputa ọtụtụ okwu nke na-enweghị ihe ha pụtara. Ọrịa ntonto bụ ekwudoghi okwu nke sitere na mmebi akụkụ ụbụrụ na-ahụ maka ikwu okwu.

Na mba Afrịka, ndị ọrịa ntọntọ nwere nsogbu n'ịmata mpụtara okwu na-akpopụta okwu abuọ na-eyitaghị onwe ha n'ọtu oge dị ka "ugbọala""udara". Nke a bụ mperi mpụtara okwu. Oge ụfọdụ ha na-akpọpụtaokwu na-adịghị adị n'asụsụ ahụ. Nke a bụ iwebata okwu ọhụụ n'asụsụ ahu. Ndi na-enwe ụdị nsogbụ okwu dị etu a bụ  ndị nwere ọrịa ntọntọ nke Wernicke: Ọ bụ naanị na onye nwere ọrịa ntọntọ Wernicke na-enwe nsogbu n'iwebata maọbụ ịkpọpụta okwu abụọ na-eyitaghị onwe ha kama na ọ naghị aghọta ọrụ ihe (object) na-arụ maọbụ ihe eserese dị ya n'ihu bụ. Ha anaghị aghọtakwa ekwuru n’ọnụ maọbụ e dere ede. Ọrịa ntọntọ na-abawanye na mba uwa kwa ubọchi. Nke a na-emetụta mkparịtaụka dị n'etiti mmadụ na ibe ya. N’agbanyeghị mmetụta ọrịa ntọntọ n"utọasụsụ ndịnọrụ nkwurịta okwu nchọcha e merela gbasara ọrịa ntọntọ n'ala anyi bụ Naijiria riri mperi. Ọ bụ n'ihi mperi a kpalitere mmuọ ọnye nchọcha a ileba anya na mmetụta ọrịa ntọritọ n'ụtọasụsụ ndịnọrụ nkwurita okwu Iji tinyekwuo amamihe n'ebe amụmamụ ọrịa ntọrịtọ na etu o si emetụta mkparịtaụka dị n'etiti mmadụ na ibe ya.

**2.0 Ntulegharị agụmagụ**

N'ebe a, a ga-eleba anya na mpụtara okwu ụfọdụ, atụtụ nchọcha na nchọcha a hụrụ anya.

**2.1 Mpụtara okwu  ụfọdụ**

**2.1.1 Ọrịa ntọntọ**

Bloom (1998) na Chapey (2015) kọwara ọrịa ntọntọ dị ka ọrịa metụtara mkpọpụta okwu, nnabata na nkwupụta okwu. Nsogbu ndị nwere ọrịa ntọntọ na-enwe metụtara ụda okwu, utọasụsụ mmebe okwu, mpụtara okwu maọbụ asụsụ ndinọrụ. Ọria ntọntọ na-emetụta nkọwa onwe ma ọ bụ asụsụ ndinọrụ.Ọrịa ntọntọ na ekwudoghị okwu bụ nwanne n'ihi na ha na-agako ọnụ. Ọ na-emetụta etụ olu nke na-ebute akpọpụtaghị okwu nke ọma. Ardila (2016) kwuru sị na nhiahụ onye nwere ọrịa ntọntọ bụ site na-enweghị ịke ịhọrọ okwu mmadụ na enweghị ike ighọta, ikowa mpụtara okwu. Ọ na-emetụta nnabata okwu na nkwupụta okwu. Nsogbu kachasị onye ọria ntọntọ anomia na-enwe bụ ịchọta mkpụrụ ọkwu ọ ga-eji kwuo ihe ọ chọrọ ikwu

**2.1.2 Anomia**

Anomia bụ ọtụ n'ime ọria ntọntọ nke na-eweta mmadụ enweghị ike icheta mkpụrụ okwu ọ ga-eji kwuo ihe ọ chọrọ ikwu. Ọnye ọria ntọntọ anomia enweghị ike imata aha ihe e dosara n'ihu ya bụ maọbụ aha mmadụ maọbụ ọnụogụgụ

**2.1.3 Nkwurịta okwu**

Nkwurịta okwu bụ mkparịtauka na-adị n'etiti mmadụ abụọ maọbụ karia nke ha na-eji egosiputa ihe dị ha bu n'obi. Ọ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta.

**2.2 Atụtụ nchọcha**

Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ atụtụ nkwekọrịta nkwurita (communication Accommodation theory) nke Howard Giles tụpụtara n'afọ (1980). Mgbado ụkwụ atụtụ a bụ n'ebe mgbanwe omume ndị mmadụ na-ewebata mgbe ha na-eme mkparịtaụka iji mee ka ha ghọta onwe ha. Atụtụ a na-akọwa na mmadụ na-agbanwe akanka asụsụ ya mgbe ya na onye ọzọ na-akparitauka. N'ihi nke a onye nnata ozi na-egosipụta nnabata ihe okwu okwu na-ekwu. Atụtụ a hiwere isi na nnabata na-adị n'etịtị ọnata ozi na onye na-ezi ozi.

Onye na-ezi ozi ga-anabata ndị ọ na-gwa okwu site n'ilere anya na mkparịta ụka ha tinyere ụtọ asụsụ na mmegharị ahụ ndị na ekwu okwu

Atụtụ nkwekọrịta na-arụtụ aka na mgbanwe omume ndị mmadụ mgbe ha na-eme mkparịtaụka iji mee ka onye maọbụ ndị ha na ya na-akparịtaụka ghọta ihe ọ na-ekwu. Ihe bụ isi sekpu nti n'atụtụ a bụ na ndị mmadụ na-anabata nka okwu ibe ha. Ime nke a na-enyere onye na-ezi ozi aka nweta nnabata n'aka onata ozi ma mekwaa ka mkparitaụka gaa nke ọma. Ọ bụ maka nke a ka atụtụ a jiri dabaa n'ime nchọcha a.

**2.3 Nchọcha A Huru Anya**.

Mwangị (2022) mere nchọcha banyere ịsụ nsụ n'etịtị ụmụaka ndị Nairobi site nigosịpụta ihe ngọsị ịsụ nsụ na usoro e ji egbochi ịsụ nsụ n'etiti umụaka ndị na-asụ nsụ. Mbumnuiche nchọcha a bụ inyocha ụdị ịsụ nsụ ụmụaka ndị Nairobị nwegasịrị na ụzọ a ga-esi gbochie ha. E jiri usoro ụdaasụsụ nyochaa njiatule nchọcha a. E jiri tepu rekọda were nweta ihe nchọcha a site n'aka ụmụaka ndị na-asụ nsụ n'obodo kenya dị na nairobị. E jikwara usoro nlere anya nwetakwa njiatule nchọcha a ụzọ e jiri hazie njiatule nchọcha a bụ site n'itugharị ihe dị na tepu rekọda site n'asụsụ Kenya gaa n'asụsụ bekee ma were usoro nkọwa were kọwaa nke ọma ụdị ịsụ nsụ ụmụaka nwere na ụzọ a ga-esi gbochie iha Nchọpụta nchọcha a gosiri na e nwere ụdị ịsụ nsụ dị ịche ịche nke na-adịkwa n'ụdị dị iche iche. Nchọcha anyị na nke a yitere n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka mmebi asụsụ ma dịwaga iche n' ihi na nke anyị gbadoro ụkwụ na mmetụta ụtọasụsụ asụsụ ndịnọrụ nkwurita okwu.

Osuji (2023) lebara anya na mmetụta dị n'iche echiche na-elekota mmadụ n'ebe ụmụaka nwere ọrịa ịsụ nsụ nọ. Mmetụta uche nwata ọbụla nwere ọrịa ịsụ nsụ dị ezigbo mkpa maka ihe omụmụ. Mbumnuche nchọcha a bụ inyocha etu ọrịa ịsụ nsụ si emetụta uche nwata ọbụla nwere ya na mmụta. Nchọpụta nchọcha a gosiri na ọrịa ịsụ nsụ na-eme ka nwata ọbụla nwere ya na-ewe iwe ọsọ ọsọ. Ihe kpatara nke a bụ na o nweghi ike ikọwapụta onwe ya nke ọma ọ na-eme kwa ka onye nwere ọrịa ịsụ nsụ gharia iso ndị ọgbọ ya mee ihe ha na-eme. ọ na-eme ka onye nwere ọrịa na-anọrọ naanị ya oge ọbụla. Nchọcha anyị na nke a yitere n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka mmebi asụsụ ma dịwaga iche n' ihi na nke anyị gbadoro ụkwụ na mmetụta ụtọasụsụ asụsụ ndịnọrụ nkwurita okwu.

Agbedo na Uchendu (2010) mere nchọcha banyere mmebi asụsụ ụmụaka abụọ. Nchọcha a lebara anya na mkpụrụ ụdaasụsụ ndị a nwere ọrịa ntọrịtọ. Nchọpụta nchọcha a gosiri na ndị nwere ọrịa ntọritọ na-ewere okwu mpụtara ha na-eyitaghị ihe ha chọrọ izi n'ozi. Ha na-akpọpụtakwa okwu na-enweghị ihe ha pụtara n'asụsụ ha mana o nwere mpụtara n'ebe ha bụ ndị kpọpụtara ya nọ. Ndị nchọcha a chọpụtakwara na okwu ndi a na-aga were were mana o na-eto ogologo. Nchọcha a na nke anyị na-eleba anya n'ọrịa ntọntọ ma diwaga iche n'ihi na nke anyị gbadoro ụkwụ n'ụtọasụsụ asụsụ ndịnọrụ nkwurita okwu.

**3. Usoro nnweta njiatule nchọcha**

Na nchọcha a, e jiri-ajụjụ ọnụ were nweta njiatule nchọcha a site n'aka otu dibịa bekee na-ahụ maka ndị ọrịa ntọntọ nakwa ndị nọọsụ abụọ ya na dibịa bekee a so arụ ọrụ na nnụkwụ ụlọọgwụ dị n'Enugu a na-akpọ University of Nigerian Teaching Hospital (UNTH). Ọ bụ naanị mmadụ atọ ndị a ka agbara ajụjụ ọnụ e jiri nweta njiatule nchọcha a n'ihi na onye nchọcha a enwetaghị onye ọbụla nwere ọrịa ntọntọ anomịa n'ụlọọgwụ a mgbe ọ gara ime nchọpụta a. Nke a mere o jiri chekwube n'azịza dibia bekee na-ahụ maka ọrịa ntọntọ dị iche iche na ndị nọọsụ na-arụ ọrụ ebe ahụ. Ha agwọọla ụfọdụ mmadụ nwere ọrịa ntọrịtọ anọmia. Ya mere onye nchọcha a jiri nabata azịza ha ma were ya rụọ ọrụ na nchọcha a. Ebe a nọrọ mee nchọcha a bụ na Etuku Ọzara dị n'Enugu bụ ebe e nwere ụlọ ọgwụ na-ahụ maka ọrịa ntọntọ na ọrịa ndị ọzọ. Njiatule e nwetara maka nchọcha a bụ nke e jiri usoro nkọwa nyochaa.

**4.1 Nhazị Ihe A Choputara**

N'ebe a, a hazịrị ihe a chọpụtara site n'igbado ụkwụ n'azịza dịbịa bekee na-ahu maka ndị ọrịa ntọntọ na ndị nọọsụ abụọ so ya arụ ọrụ n'ụlọọgwụ ahụ. A ga-ebu ụzọ depụta mkparitaụka onye nchọcha a na dịbịa bekee tupu e deputa nke ya na ndị nọọsụ. E jiri akara "O" nochịte anya onye nchọcha ebe a, ma were "D" nọchite anya dịbịa bekee ebe e jiri "N1" na "N2" nọchịe anya ndị nọọsụ abụọ na-eleta ndị nwere ọrịa ntọntọ anọmia.

O: Dokịta ndeewo

D: Ndeewo nwa m

O: Biko a chọrọ isite n'aka gị chọpụta etu ndị nwere ọrịa ntọntọ anomịa si ekwu okwụ.

D: Ọ dị mma. Okwu ha na-eri mperị n'ebe mkpọpụta okwu ụfọdụ, nọ. Ha na-enwe nsogbu na mkpọpụta aha ihe, aha mmadụ, ngwaa, aha, nnochiaha.

O: Dokịta daalụ, Ọ gwula ebe ha na-enwe nsogbu. n'ikwu okwu?

D: Mba! Ha na-enwekwa nsogbu n'ịkpọ ihe aha, ikowa ihe eserese e dowere n'ihu ha. Odide na okwukwu okwu na-ahia ha ahụ.

O: Nọọsụ ndeewo

NI: Ọ dị mma

O: Nọọsụ bịko o nwere ihe m chọrọ imata gbasara ndị nwere ọrịa ntọntọ anomia: A bu nwata akwụkwọ na Mahadum Naịjịrịa dị na Nsụka na-eme nchọcha banyere ọrịa ntọntọ anomia. Biko, kọwara m ihe ị maara banyere etu ndị nwere ọrịa ntọntọ anomia si ekwu okwu.

NI: Ndị nwere ọrịa ntọntọ anomia anaghị edobe iwu uda asụsụ nke mere na ha na-ekwugharị okwu ugboro ugboro. Ha enweghị ike igosipụta ndiiche di n'etiti mọfin ndabe na mofin nnọrọọnwe.

N2: Ndị nwere ọrịa ntọntọ enweghị amamihe zuru oke gbasara mkpụrụ udaasusu. Ngwaa na nnara ha anaghị adakọrita. Okwu ha na-ekwu ha anaghị adakọrịta. Okwu ha na-ekwu anaghị enwe mpụtara ọbụla mmadụ ga-aghọta

O: Ndị nọọsụ daalu maka enyemaaka unu gbasara nkọwa unu nyere m banyere etu ndị nwere ọrịa ntọntọ si ekwu ma na-aghọta okwu ndi ozo na-ekwu

Site na mkparita ụka onye nchọcha na ndị zara ajuju ọnụ, a chọpụtara na ndi nwere ọrịa ntọntọ anomia anaghi edobe iwu uda asụsụ nke na-eme na ha na-ekwughari okwu ugboro ugboro. Ha enweghị ike ikpọputa aha mmadụ maọbụ ihe eserese dị ha n'ihu. Ozokwa, ha anaghị ewebata ngwaa na aha n'okwu ha.

**4.2 Nchọpụta Nchọcha a**

Nchọpụta nchọcha a gosiri ihe ndị a: nke mbu ndi nwere ọrịa ntọntọ anomia enweghi ike ikpọpụta aha ihe ọbụla maọbụ mmadụ. Ha enweghị ike ikpọpụta aha ihe eserese e dowere n'ihu ha. Ha anaghị edobe usoro iwu udaasụsụ. Ha na-ekwugharị otu mkpuruokwu ugboro ugboro. Ọzọkwa, okwukwu okwu na odide ihe na-ara ha ahụ. Mkparitauka ndị nwere oria ntọntọ anomia ma ndi enweghi ya anaghị aga were were .

**4.3 Mmechị**

Nchọcha a gosiri na ndị nwere ọrịa ntọntọ anomia anaghị edobe iwu ụdaasụsụ nke na-ebute nkwụgharị mkpụrụokwu ugboro ugboro. Nke a gosiri na ndị nwere ọrịa ntọntọ nwere nsogbu n'ịhọrọ okwu dabara adaba n'ihi na ha enweghị ike ikwupụta ya. Nkwurịtaokwu dị ezigbo mkpa na ndụ mmadụ Ndị nwere ọrịa ntọntọ anomia na-enwe mmekpa ahụ na mkparịtaụka dị n'etịtị ha na ndị enweghị ọrịa a. Oge ụfọdụ ụmụaka na-eji ndị nwere ọrịa a eme ihe ọchị nke na-eme ka ha na-ewe iwe ma ghara ikwu okwu oge ụfọdụ.

**Nrutuaka**


Agbedo, C.U. and Uchendu; A.G. (2010). Psycholinguistics analysis of language disorders: A case study of selected aphasias. *Journal of Igbo language and linguistics (JILL)*, 1 (2), 31-39.

Ardila, A. (2016). *Archival of Clinical Neuropsychotology*. 31; 112-122

Bara, B.G. (2010). *Cognitive Pragmatics: The Mental Processes of Communicating.* Cambridge: The MIT Press.

Bloom, R.L. (1998). Pragmatics Breakdown in patients with left and right brain damage: Clinical Implication J*ournal of Neurololinguistics* 11,11-20.

Chapey, L. (2015). *Language Intervention strategies in aphasia and related neurogenic communication disorders.* Philadephia: LIppiricott and wilkine

Ezeudo, C . (2019). *Psycholinguistics study of stuttering in Anambra State.* Ph.D seminar; Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Language, UNN

Manouilidou, C. (2021). Reading Greek Compound in neglect-dyslexia: A case study. *JMK journal* 2, 21-33

Uchendu, A.G. (2010). *Psycholinguistic analysis of language disorders: A case study of selected aphasias*. M.A Dissertation, Department of Linguistics, 1860 and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.